Ebonyi Journal of Language and Literary Studies 2 (3 & 4) July/October 2019 VOL 2
EJLLS www.ejlls.com ISSN 9091 4582 7142

# IME OKWU ISI ỤBỤBỌ

**Faith Chioma ONUOHA**
faithall1970@gmail.com
Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages
University of Nigeria, Nsukka
Nigeria

**Adaora Maudline EZE**
mezeadaora@gmail.com
Department of Linguistics and Literary Studies
Ebonyi State University, Abakaliki
Nigeria

**Ụmị**

Ebumnobi nchọcha a bụ ịkọwapụta gbasara ime okwu isi ụbụbọ n'asụsụ Igbo.Nchọcha a gara n'ihu kọwapụta ihe ndị a na-arịba ama maka ime okwu isi ụbụbọ. Nchọcha a lebakwara anya n'ihe ime okwu isi ụbụbọ na-ebutere ahịrị okwu o metụtara. O lebakwara anya ma o nwere nkeji asụsụ nke mbugharị gbasara karịa, ka ọ bụ na ha niile na-anabatacha mbụgharị. Atụtụ a gbasoro mee nchọcha a bụ atụtụ izugbe mgbatị nke Chomsky.A gbasoro ụsoro nlegharị adịm nsina ụbụrụ Ndị e jiri mee nchọcha a bụ ndị nkuzi nwoke na nwanyị bụ ndị Igbo na-akụzị asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ ndị dị na Mbaise na Obowo nakwa ihe ndị a gụtara n'akwụkwọ. Nchọcha a chọpụtara na ihe kpatara atụtụ mgbanwe dị iche iche e nwere bụ maka iri mperi ndị nke bụ ụzọ riri. Nchọcha a chọpụtara na, e mee okwu isi ụbụbọ, ọ na-agbakwunye echiche ọhụrụ. Ọ na-emekwa ka okwu ahụ site n'ọnọdụ ya mbụ nọgharịa, bịazie n'ọnọdụ ọzọ, nke butere ịkpọ ya isi okwu ụbụbọ ahụ. Ihe ọzọ nchọcha a chọpụtara bụ na ọ bụghị otụ ụdị nkeji asụsụ ka mbụgharị gbasara kama o nwere ike ịbụ nke ọ bụla dị ka mmeju ngwaa, omee, aha aka dg. Ọ dị mkpa ka ndị ọzọ leba anya n'ụdị agba mgbanwe ndị ọzọ e nwere n'usoro okwu n'Igbo.

EJLLS www.ejlls.com ISSN 9091 4582 7142

***Abstract***
*The aim of this work is to explore the concept of topicalization in Igbo language. It will therefore x-ray the factors and conditions necessary for topicalization. This research work further intends to examine the influence of topicalization on any sentence it comes in contact with. To find out if all the word classes are affected by topicalization or there are some which it does not affect in Igbo language. The theory used for this research work is the Chomsky's extended standard theory. The work made use of introspective research method. Male and female Igbo language teachers, in the Secondary Schools in Mbaise and Obowo were used for this study. They were randomly selected. Materials were also gotten from secondary sources. It was discovered that the reason for many theories on transformations was because of the shortcomings of the previous ones. It was also discovered that topicalization brings about added meaning on a sentence. Again it brings about the change of position of the affected word in the sentence hence, causing the word to be the main topic of the sentence. Another thing discovered was that topicalization does not affect a particular word class; rather, it affects word classes like, verb complements, noun agent, proper nouns etc. Therefore, the researcher suggests that other researchers the researchers can work on other topics that are related to topicalization in Igbo syntax.*

**Mkpọlite**

N'ala Igbo, otu n'ime ihe e jiri mara ndị Igbo bụ ekwupụtachaghị ihe ha chọrọ ikwu gbowam. Ụbụbọ bụ aha e jiri dochie ịkpa nkata nke gosịrị etu mmadụ na ibe ya si anọkọrịta ọnụ wee kporie mgbe.

Ime okwu isi ụbụbọ bụ usoro nke e ji eme ka ihe a na-ekwu wee nwee akụkụ o mekụtakarịrị n'ahịrịokwu. Ihe mmekụta a n'aka emetụta otu ihe dị n'ahịrịokwu ahụ e ji n'aka. Nke a na-eme ka akụkụ ahụ a chọrọ ịrụgosi aka nọgharịa ọnọdụ n'ime ahịrịokwu ahụ ọ nọ n'ime ya. okwu Asụsụ ọ bụla nwere usoro, ọ bụ nke a kpatara n'agba mgbanwe, ọ bụghị mgbe niile ka ahịrịna-enwe echiche n'agba ala. Ya mere, iji mee ka ya bụ ahịrị okwu nwee echiche, a ga-agbanwe ọdịdị ya.Otu e si eweta mgbanwe a bụ site n'ibugharị okwu ma ọ bụ mkpụrụ okwu site n'otu akụkụ gaa n'akụkụ ọzọ. Ọ bụghị naani n'asụsụ Igbo ka a na-ahụ ọnọdụ mbugharị okwu a, kama ọ dịkwa n'asụsụ mba ụwa ndị ọzọ. Ihe kpalitere mụọ odee ide maka ime okwu isi ụbụbọ bụ maka e deela ọtụtụ ihe banyere ime okwu isi ụbụbọ n'asụsụ ndị ọzọ dịgasị iche iche kachasị n'asụsụ bekee, mana edechabeghi ọtụtụ ihe banyere nke a n'asụsụ Igbo. A hụrụ

nke ọma na mgbanwe nwere ike ịbụ iwepụ ihe dị n'agba ala ahịrịokwu ma mee ka ọ ghara ịpụta mgbe a na-akpọpụta ahịrị okwu ahụ. O nwekwara ike ịbụ ịgbakwunye okwu na-adịghị mbụ n'agba ala ahịrị okwu ma mee ka ọ pụta ihe mgbe a na-akpọpụta ya bụ ahịrị okwu. N'ijikwa mesie nke a ike, asụsụ nwere njirimara ya, nke otu n'ime ha bụ na, asụsụ ọ bụla nwere iwu na usoro na-achi ya, ọ dị mkpa ịrịba iwu a ama oge a na-eme mbugharị okwu, ka a hụ na e bugharịrị ha n'ụdị ha ga-enwe echiche rujuru afọ.

Ọtụtụ mmadụ, ma ndị gara akwụkwọ ma ọha na eze bụ ndị na-asụ asụsụ dị iche iche ọkachasị asụsụ Igbo na-ewebata mbugharị a n'ihe ha na-ekwu ma ọ bụ nke ha na-ede n'amachaghị ihe ha na-eme. Ọ bụ nke a kpaliri mmụọ ọchọcha ilebanye anya n'ịchọpụta nakwa ikọwa gbasara ime okwu isi ụbụbọ n'asụsụ Igbo.

**Mbunuche nchọcha**

Mbunuche nchọcha a bụ ileba anya n'ihe bụ ime okwu isi ụbụbọ, ihe ndị a na-arịba ama maka ime okwu isi ụbụbọ, ihe ime okwu isi ụbụbọ na-ebutere ahịrị okwu o metụtara na nkeji asụsụ nke mbugharị gbasara karịa.

**Ntụlegharị atụtụ/tịọrị**

Atụtụ a gbasoro na nchọcha a bụ atụtụ izugbe mgbati. Ọ bụ n'afọ (1980) ka Chomsky wepụtara atụtụ a. Ihe kpatara e jiri wepụta atụtụ a bụ maka na atụtụ izugbe azụtochaghi ihe a tụrụ anya ya n'ịkowasị ihe mejupụtara ahịrị okwu. Atụtụ izugbe mgbati na-akọwa na ọ bụrụ na e site n'otu ahịrị okwu, tụgharịa ya ma webata mgbanwe n'ime ya, di ka i were okwu dịbu n'ikpeazụ ahịrị okwu ahụ bugolite ya n'ihu ma ọ bụ n'isi ahịrị ahụ, na nke a ga-ebute mgbanwe, nke ga-eme ka e nwee mgbakwunye echiche ọhụrụ n'ebe ụbụbọ ndị ahụ dịgasị. Atụtụ a nabatara na mgbanwe gụnyere, ibugharị okwu ma o bụ mkpụrụ okwu site n'otu akụkụ ahịrị okwu gaa n'akụkụ ọzọ, iwepu ihe dị n'agba ala ahịrị okwu ma mee ka ọ ghara ịpụta mgbe a na-akpọpụta ahịrị okwu ahụ, ịgbakwunye okwu na-adịbughị n'agba ala ahịrị

EJLLS www.ejlls.com ISSN 9091 4582 7142

okwu ma mee ka ọ pụta ihe mgbe a na-akpọpụta ahịrị okwu ahụ. Nke ọzọ bụ na mgbakwunye ma o bụ mtinye nwere ike webata okwu na-adibughi n'agba ala ahịrị okwu gbanweta nke dịbu na ya, nke a ga-eme ka ihe ga-adịzi ebe ahụ n'oge mkpọpụta bụrụ nke a e tinyere ọhụrụ. Atụtụ izugbe mgbati gbara mbọ igbo nsogbu nke a na-ahụ n'ebe nghọta dị n'etiti agba ala na agba elu nke ahịrị okwu. Ọ gakwara n'ihu, mee ka nkewa dịrị n'etiti usoro okwu na echiche. Nkewa a mere ka ọ dị mfe ikọwari usoro okwu dị n'asụsụ n'emetụghi aka ebe echiche nọ. N'ihi nke a echiche a na-ahụta n'agba ala agaghị abụrịrị echiche a ga-ahụta n'agba elu. Nke a wee daba n'amụma nke Bloomfield na kwanụ ọrụ ndị mbu Chomsky mara, ebe ha kewapụrụ echiche site n'ihe ndị ọzọ dị n'asụsụ.

Atụtụ ozọ na-eso nke a bụ atụtụ izugbe mgbati mmeghari. Ndị otu a nke a na-akowa na o bụghị naani na e bugharịrị ihe kama a ga-ahụrịrị ebe ihe mbugharị a hapụrụ ihe. Ọ bụ na nke a ka Cowper (1992) gbakwunyere ihe ndị ọzọ gbasara atụtụ a. Ọ siri na ọgụ iwu ndị a nile e nwere n'ụtọasụsụ mgbanwe karịrị akarị, n'ihi ya e kwesiri ibelata ha ma kpokọta ha n'otu iwu bụ move $\propto$, nke bu bugharịa ihe ọ bụla. Ọ kọwara na mbụgharịa nwere ike metụta akụkụ ọ bụla n'ime ahịrị okwu. Ozọ ọ kọwara na mgbe ọ bụla e bụgharịrị ihe e nwerịrị ụkpụrụ ihe e bụgharịrị ga-ahapụ. Ọ kọwakwara na mbụgharị ga-agbado ụkwu etụ iwu na-achịkota asụsụ ahụ siri dị. Ebe nkọwa a dị n'uju bụ n'atụtụ treesi.
Van Riemdijk na Williams (1986) na-akọwaputa na e nwere nghọtahie n'ebe okwu a bụ agba elu na agba ala nọ. Ebe agba elu na-elebami anya n'ebe ihe mejupụtara okwu dị, agba ala n'ele anya n'ihe ndị na-abachaghị uru.

Atụtụ ọzọ kwuru ihe gbasara mbugharị bụ nke a kpọrọ oke mbugharị. Atụtụ a na-akọwa na asụsụ o bụla ga-enwerịrị otu usoro maka etu a ga-esi site n'otu ebe bufe ọkwụ n'ebe ozọ. Nke a na-egosi na anaghị esite n'otu ebe ebufe okwu n'ebe ọzọ aghara aghara. Ya bụ ebe e siri buru okwu na-ebe a na-ebuga ya ga-adabarịrị adaba. Na nkọwa ha, ihe kpatara nke a bụ na, e

EJLLS www.ejlls.com ISSN 9091 4582 7142

buru okwu na-ekwesịghi ekwesi buga n'ọnọdụ na-adabaghị adaba, ahịrị okwu ahụ agaghị adịzi, ọzọ ọ gaghị enwe echiche.

Mbah na Mbah (2014) kọwara na a na-eme okwu isi ụbụbọ site n'isi na mpaghara emereme ngwaa bufe ya na nke omee ma ọ bụ isi ahịrị site na nkọwa ha nyere, ihe ọ bụla e bufere ga-abụrịrị n'isi ahịrị ka ọ ga-ano ọ bụghị ebe ọ bụla ọzọ. Ima atụ, n'ahịrị okwu a "Ike gbara ọsọ", ga-enyezi anyi "ọsọ ka Ike gbara". N'ebe a, emere eme dị n'ahịrị okwu nke mbụ nnọgharịziri bịa n'isi ahịrị nke mere na "Ike" nke bubu omee ka e bufeziri na mmeju ngwa. Nke a kpatara na ihe a na-ekwuzi okwu ya bụ "ọsọ" ọ bụghịzi "Ike".

Na nkọwa nke ha, Anagbogu, Mbah na Eme (2010) na-ekwu na agba mgbanwe metụtara mbugharị nke a na-ebugharị ufodu ihe ndị mejụputara ahịrị okwu, site n'onọdụ ha n'agba elu, wee gaa n'ọnọdụ ọzọ n'ime otu ahịrị okwu ahụ. Ha kpọrọ ọnọdu a fokọsịn nke a na-ebute ime okwu isi ụbụbọ. Ha sịrị na ọ bụrụ na ebe e bufetere ihe bụrụ ma a gafechara ebe okwu ahụ dịbu n'ahịrị okwu, ihe a ga-akpo nke a bụ mbuda ma o bụ estarapozishọn. Estaraposishọn a na-apụta ihe n'ụzọ dị iche iche dị ka mbugharị nke pasivu nke ụzọ e si emejụpụta nke a n'Igbo bụ ime okwu isi ububo. Dịka n'ahịrị okwu a; " ọ were m iwe na ị biaghị" nke a ga abụzi "na ị bịaghi were m iwe" ugbu a, nnọchi onwe "o" nọ n'isi ahịrị apụọla n'ọnọdụ ya, ebe nkebiaịrị nke ngwa bịaziri n'isi okwu, bụrụzie ihe ụbụbọ ahụ na-akpa.

N'okwu nke ya Lamidi (2008) kọwara mgbanwe dịka ụzọ e si agbanwe odịdị ahịrị okwu site n'ihe ọ bụ gaa n'ụdị ọzọ. Ọ kọwara na n'ime nke a, e nwere ihe ndị a ga-arịba ama iji mee ka ọrụ a dị ire. N'iji maa atụ, ọ sịrị na ahịrị okwu okwihu nwere ike gbanwe ma ghọrọ ahịrị okwu okwuozi ebe ahịrị okwu mfe nwere ike igbanwe ma ghọrọzie ahịrị ajụjụ site n'iwu mgbanwe. Nke a wee na-egosi na mgbanwe na-emetụtacha ụdị ahịrị okwu dịgasị iche iche. Ọ gara n'ihu kọwapụta na mgbanwe nwere ụzọ dị iche iche o si apụta ihe. Dika, mgbanwe nwere ike bịa n'ụdị ịkachapụ ma ọ bụ iwepụ okwu dibu adị n'ọgbara okwu dika "Ikechi

EJLLS www.ejlls.com ISSN 9091 4582 7142

gburu ewu ma Ikechi siri ewu". Ebe a, a ga-akachapụ "Ikechi" nke abụọ ahụ.Ya abụrụzie "Ikechi gburu ewu ma sie ya". O nwere ike ịbịa n'ụdị ijiri okwu ọzọ were tinyechie ya ebe okwu dibu. Dịka na; Ikechi hụrụ Ikechi n'anya, nke a ga-abuzi, Ikechi hụrụ onwe ya n'anya. ebe a e jiri onwe dochie n'ọnọdụ Ikechi nke abụọ. Ọzọ ọ kọwara na mgbanwe nwere ike ịbịa n'ụdị itinye ihe ọhụrụ n'ime ọgbara okwu. Ọ jiri itinye nju "ghị" were nye ọmụma atụ, dịka na "Nwaka bụ onye ohi"; a bịa webata nju ahụ, okwu ahụ abụrụzie, "Nwaka abụghị onye ohi". Ọ sịkwara na ụdị mgbanwe ọzọ nwere ike ịbịa site n'ibugharị okwu ụfọdụ site n'ọnọdu ha. Nke a na-apụta ihe mgbe a na-agbanwe ahịrị mfe, ma tinye ya n'ụdị e ji enye osisa ee na mba n'ajụjụ. N'ime ka nke a dị ire, ihe mbugharị a ga-eburịrị ihe a chọrọ ibugharị buga ya n'isi okwu ahụ, dịka na "ọ sịrị gịnị", ga-abụzi "Gịnị ka ọ sịrị".

N'iga n'ihu, ihe ederede n'isi okwu a e nwetara n'igwe itaneti na-akọwa na ime okwu isi ụbụbọ bụ ihe a na-ahụ n'usoro okwu nke na-eme ka okwu nọgharịa ọnọdụ bia n'ihu wee bụrụzie isi okwu n'ahịrị okwu ahụ ma o bụ nkebi ahịrị ahụ. Dịka nkọwa a siri dị, ọ sịrị na e nwere ihe ọmụmụ ndị ọzọ ha na tọpikalizashọn yiri. Ha gụnyere wh. frọntịn, skramblin na estarapozishọn.

Ihe abụọ ndị ọzọkwa sitekwara n'itaneti gara n'ihu na-ekwu si na ime okwu isi ụbụbọ bụ mbugharịa okwu site n'ọnọdụ ya bịa dote ya n'isi mbido nke okwu nke na-ehiwe isi n'ụbụbọ a na-akpa nakwanụ etu e si eji asụsụ eme ihe n'asụsụ ahụ.

N'ilebakwu okwu a anya, akwụkwo nkuzi ihe Okoro (2012) kowara na ime okwu isi ubụbo bụ mgbe e lekwasara anya n'ebe otu ihe dị n'ahịrị okwu no. Nke a ga-eme ka e bugharịa okwu ahụ ka o werezie ọnọdu ebe a ga-ahụta ya nke ọma. Nke a na-abụrịrị n'ọnodu isi okwu site n'ihe ndị a nile a rụtụrụ aka, a chọpụtara na tupu e mee okwu isi ụbubo, ọ ga-abụrịrị na nkeji okwu keaha nọ, n'ahịrị okwu nke mbu nakwanu nke abụọ ga-adabarịrị adaba.

EJLLS www.ejlls.com ISSN 9091 4582 7142

**Nchọcha emerela**

Ụfọdu ndị nchọcha edeela ihe gbasara ime okwu isi ụbụbo n'asụsụ ndị ọzọ dị iche iche. Otu n'ime ha bụ Junaidu, ọ chọpụtara na ime okwu isi ụbụbọ na-apụta ihe n'asụsụ Awụsa. Ọ si na, ọ bụ ụzọ e si ebugharị okwu site ebe okwu dị ma weputa ya n'ihu okwu n'ụdị na ọ ga-abụzi isi ụbụbọ dị n'ahịrịokwu ahụ.

Ikima (2014) dere ihe gbasara ọnọdụ ndị a na-agbaso na mbugharị usorookwu n'asụsụ Tiv nke dị na steeti Benue nke Naijirịa. Ebumnuche ọrụ ya bụ igosipụta na asụsụ Tiv dịka asụsụ ndị ọzọ ga na-anabatakwa mbụgharị okwu site n'otu akụkụ ahịrị okwu gafee n'akụkụ nke ọzọ site n'igbaso iwu mbugharị kwesịrị ekwesi. Atụtụ ọ gbasoro rụọ ọrụ a bụ atụtụ Prcipụl na Parameta nke Chomsky (1980).

Onye ọzọ dere ihe metụtara isiokwu e ji n'aka bụ Njoku (2013). O dere gbasara mbugharị nkebiahịrị mkpọaha n'Igbo. Mbunobi ederede ya bụ igosi ka e si ebugharị nkebiahịrị mkpọaha n'ahịrịokwu nha ya na ka e si ebugharị nkebiahịrị mkpọaha n'ahịrịokwu abụọ nwere otu echiche mana usoro e ji hibe ha dị iche. Atụtụ o jiri rụọ ọrụ a bụ nke ụtọasụsụ mgbanwe.

N'iga n'ihu, ndị ọzọ dere ihe n'isi okwu a bụ Nwankwo (2013) na Mbah (2015). Ọ dere gbasara ime okwu isi ụbụbọ n'usoro okwu Igbo Ebumnuche ọrụ ha bụ igosipụta na ime okwu isi ụbụbọ bụ otu n'ime ụzọ e si ebugharị okwu nke na nghọta okwu ndị ahụ anaghị abụzị ihe a na-achọ achọ n'ikpeazụ.

Akpabio (2016) dekwara ihe gbasara ime okwu isi ụbụbọ n'asụsụ Anaang. Ọrụ ya lebara anya n'ịchọpụta ụdị ahịrị okwu ebe a ga-enweta ọnọdụ ime okwu isi ụbụbọ n'asụsụ a. N'iji mee nke a, o tinyegasịrị aka n'iwu ndị dịka, Wh-frontin, kleft na nke pseudo-kleft. Atụtụ ọ gbasoro n'ọrụ a bụ atụtụ mbugharị.

**Atụtụ nchọcha**

Atụtụ a gbasoro mee nchọcha a bụ atụtụ izugbe mgbatị nke Chomsky (1980) Ebumnobi e jiri wepụta atụtụ a bụ maka na atụtụ izugbe azụtachaghị ihe a tụrụ anya n'aka ya maka ịkọwasị ihe mejupụtara ahịrị okwu. Ihe atụtụ izugbe mgbatị na-akọwa bụ na, ọ bụrụ na e site n'otu ahịrị okwu, tụgharịa ya ma webata mgbanwe n'ime ya, dịka i were okwu dịbu n'ikpeazụ ahịrịokwu ahụ bugolite ya n'ihu ma ọ bụ n'isi ya bụ ahịrị, na nke a ga-ebute mgbanwe. Etu ọ dị mgbanwe a ga-eme ka e nwee mgbakwunye echiche ọhụrụ gbasara ụbụbọ ndị ahụ.

Atụtụ a dịka ọ dị nabatara nke ọma na mgbanwe gụnyere, ibugharị okwu ma ọ bụ mkpụrụ okwu, site n'otu akụkụ ahịrịokwu gaa n'akụkụ nke ọzọ, ọ nabatara iwepụ ihe dị n'agba ala ahịrịokwu ma mezie ya ka ọ hapụ ịpụta mgbe a na-akpọpụta ahịrị okwu ahụ. Nke ọzọ ya bụ igbakwunye okwu na-adịghị n'agba ala ahịrị okwu ma mee ka ọ pụta ihe mgbe a na-akpọpụta ahịrị okwu ahụ. Ọzọkwa abụrụ na mgbakwunye ma ọ bụ mtinye nwere ike iwebata okwu na-adịbughị n'agba ala ahịrị okwu ma gbanwe nke dịbu na ya, nke a ga-eme ka ihe ga-adịzị ebe ahụ n'oge mkpọpụta buru nke ahụ e tinyere ọhụrụ.

Atụtụ izugbe mgbatị gbara nnukwu mbọ igbo nsogbu nke a na-ahụ ebe nghọta dị n'etiti agba ala na agba elu nke ahịrị okwu dị. Mbọ ọzọ ọ gbara bụ ime ka nkewa dịrị n'etiti usoro okwu na echiche dị n'ime ihe e kwuru ma ọ bụ ihe e dere. Ọ bụ nkewa a mere ya ka ọ di mfe ịkọwari usoro okwu dị n'asụsụ n'emetụghị aka ebe echiche nọ. Nke a mere ka echiche a hụtara n'agba ala ji adị iche n'echiche nke a hụrụ n'agba elu. Ọ bụ ọnọdụ a mere ka ahụta ndaba n'amụma nke Bloomfield nakwa ọrụ ndị mbụ nke Chomsky rụrụ, ebe ha kewapụrụ echiche site n'ihe ndị ọzọ dị n'asụsụ. Ọ bụ atụtụ a ka e jiri tụchaa data dị n'ihe ederede a.

**Usoro nchọcha**

Ụsoro ọchọcha gbasoro mee nchọcha a bụ nke sọvee nkọwa. Ọdidiebube na Uzoalor (2007) kwuru na nchọcha nkọwa bụ ụdịrị nchọcha na-achịkọta data ma kọwaa ya n'usoro sayensi,

nke na-agbadokarị ụkwụ n'ịkọwa ihe ndị ahụ a na-elebanye anya dịka ọ siri metụta njirimee nchọcha ahụ. Etu ọ dị ụma okwu adịghị abata n'ụdịrị nchọcha a. Ọzọ, ha kwuru na nchọcha ke sọvee bụ ụdị nchọcha na-achịkọta data ma kọwaa ya site n'isi n'ime ndị njiri mee sere ndị a ga-eji were mee nchọcha ahụ kpọm kwem. N'iga n'ihu, Nworgu (1991) kwuru na sọvee nkọwa bụ ịchọpụta ihe dị adị kọwaa ya ma nye ha echiche n'ụzọ kwesiri ekwesi. Ọ bụ ihe ndị a ka e jiri nyocha isi okwu ime okwu isi ụbụbọ n'asụsụ Igbo.

**Ntụcha data**

Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'ịkọwapụta gbasara ime okwu isi ụbụbọ n'asụsụ Igbo. Tupu ọchọcha anabata ahịrị okwu ndị a jụtara, a rịbara ama na ha bụ ndị ga-anabata ọrụ e ji n'aka nke ọma. Ya bụ tupu e mee okwu isi ụbụbọ, ọ ga-abụrịrị na nkeji okwu keaha nọ n'ahịrị okwu nke mbụ nakwanụ nke abụọ ga-adabarịrị adaba. Ọ bụ atụtụ izugbe mgbati nke Chomsky ka a ga-eji tụcha ihe. N'ihi nke a, a chọpụtara na ụfọdụ ahịrị okwu, mgbe a na-ebugharị ha na-ewebata okwu na-adịbughị n'agba ala ahịrị okwu ahụ, ebe ụfọdụ ka a na-ebugharị site naanị n'ihe ndị ha nweburu. Ka e wepụtazie ha otu otu.

**a)** **Ahịrị okwu ndị webatara "ka"**

**1a)** Egbe buuru ọkụkọ

Ebe a Egbe bụ onye isi ụbụbọ

**1b)** Ọkụkọ ka egbe buuru

Ebe a, ọkụkọ nọbu na ngwụcha ahịrị okwu bịaziri n'isi ahịrị a, e webatakwara "ka" n'ahịrị okwu nke abụọ a. Nke a gosiri na ọ bụzi ọkụkọ bụ isi ụbụbọ a na-akpazi, ọ bụghịzi "egbe".

**2a)** Uchechukwu na-achọ Adanna

Na nke a, onye isi ụbụbọ bụ Uchechukwu; bụ onye ji oge ya wee na-achọ Adanna.

**2b)** Adanna ka Uchechukwu na-achọ;

EJLLS www.ejlls.com ISSN 9091 4582 7142

N'ebe a ugbu a onye a na-ekwuzi maka ya bụzi Adanna. Mbugolite Adanna site na ngwụcha ahịrịokwu, bịazie n'isi ahịrịokwu bụ ihe mere ya ka ọ bụrụzie isi ụbụbọ ebe a.

**3a)** Ikechi gburu ewu

Na nke atọ a, Ikechi nọ na mbido ahịrịokwu, ọ bụ ya bụ onye isi ụbụbọ.

**3b)** Ewu ka Ikechi gburu

Ebe a, e nwela mgbakwunye echiche ọhụrụ. Ọzọ bụ na ihe a na-ekwuzi maka ya ugbu a bụ "ewu" ọ bụghịzi Ikechi. N'ihi nke a "ewu" bụzi isi ụbụbọ.

**4a)** Obi chiri eze

Site n'ọnọdụ "Obi", i bịa na mbido ahịrịokwu a, ọ bụ ya bụ onye isi ụbụbọ.

**4b)** Eze ka Obi chiri

Na nke abụọ a, echiche ọhụrụ abatala. E sitere n'ebe "Eze" dị/nọ bugolite ya ma mee ya isiokwu. N'ihi nke a ọ bụzi ya bụ isi ụbụbọ.

**5a)** Ebụbechi nọ n'ụkọ ego

"Ebubechi" bụ mkpụrụokwu mbụ nọ n'ahịrịokwu ahụ.Ọ bụ ya bụ onye isi ụbụbọ.

**5b)** N'ụkọ ego ka Ebubechi nọ

Nke a enwela echiche ọhụrụ, e bugolitere "n'ụkọ ego" nobu n'azụ ahịrịokwu a n'ihu. N'ihi nke a, ọ bụ "n'ụkọ ego" buzi isi ụbụbọ ebe a.

b) **Ahịrị okwu ndị nke a wepụru nnọchi onwe n'ụfọdu, ebe ụfọdụ pụtakwara iheoge e bughariri ahịrị okwu ha nọ n'ime ya.**

Lee ha:

(6a) O wutere m na ị lọtaghị

Ebe a, "O wutere m" bụ isi ụbụbọ a na-akpa.

(6b) Na ị lọtaghị wutere m.

N'ebe a, e sitere na ngwụcha ahịrị okwu bugolite nkeji ngwa nọ ebe ahụ, bụ "na ị lọtaghị", bufeta ya n'isi okwu ma mezie ya isi ụbụbọ.

(7a) Ọ dịghị mma na e gburu ya.

EJLLS www.ejlls.com ISSN 9091 4582 7142

Isi ụbụbọ n'ahịrị okwu a bụ ọ dịghị mma.
(7b) Na e gburu ya adịghị mma

Na nke a, e nwela echiche ọhụrụ a gbakwunyere. "Na e gburu ya" nọzi na mbido ahịrị okwu, nke gosiri na ọ bụ ya bụ isi okwu ma ọ bụ isi ụbụbọ.
(8a) O kwesighị na m ga na-esiri unu nri.
"O kwesighị" bụ isi ụbụbọ n'ahịrị okwu a
(8b) Na m ga na-esiri unu nri ekwesịghị

Ebe a nkeji ngwa nọzi n'isi okwu bụzi onye isi ubụbọ. Nnochi onwe "O" malitere ahịrị okwu nke mbụ ahụ e nweghịkwa ebe ọ pụtara na nke abụọ a:
(9a) Ọ gwụrụ m ike oge m nụrụ ya.

Onye isi ụbụbọ ebe a bụ "ọ gwụrụ m ike.
(9b) Oge m nụrụ ya, ọ gwụrụ m ike.

Na nke a ihe nile nọ n'ahịrị okwu nke mbụ pụtachakwara ihe na nke abụọ. E bugolitere nkeji ngwa nọ na ngwụcha ahịrị okwu, wee bugote ya n'isi okwu. Ya mere isi ụbụbọ wee bụrụzie "oge m nụrụ ya".
(10a) Ọ gbagwojuru m anya na ọ nwụrụ.
ọ bụ "ọ gbagwojurum anya" bụ isi okwu ma ọ bụ isi ụbụbọ dị ebe a.
(10b) Na ọ nwụrụ gbagwojuru m anya.

Ebe a, e nwere mgbakwunye echiche ọhụrụ. E bugolitere "na ọ nwụrụ" mee ya isi okwu ma ọ bụ isi ụbụbọ.

EJLLS www.ejlls.com ISSN 9091 4582 7142

Site na ntụcha e mere, ọ dị mkpa ịkọwapụta na, n'atụtụ izugbe, ahịrị okwu n'enwe otu mpụtara n'agba ala ma n'agba elu ha. Mana n'atụtụ izugbe mgbati, ya bụ n'ime okwu isi ụbụbọ, ahịrị okwu ọ bụla e bitụrụ ụdị aka ahụ na-enwe mpụtara abụọ chara acha.

**Nchikọta na mmechi**

Site na nchọcha e mere, a chọputara na e nwere ụdị mgbanwe na mbugharị dị iche iche a na-ahụ n'asụsụ. A chọpụtara na tupu e mee okwu isi ụbụbọ, dịka Agbedo (2015) siri kọwa ya, ọ ga-abụrịrị na nkeji okwu keaha nọ n'ahịrị okwu nke mbụ na nke abụọ ga-adabarịrị adaba. Ya bụ mbugharị ma ọ bụ mbugolite okwu, site n'otu akụkụ gafee na nke ozọ ga-agbasorịrị usoro kwesiri ekwesi. A chọpụtara na e nwere ahịrị okwu ndị, mgbe e bugharịrị ha, ma were okwu ọzọ mee isi ụbụbọ, ha enwebata okwu ọhụrụ nke na-adịbughị n'ahịrị okwu nke mbụ. Ọzọ a chọpụtara bụ na mgbe e si n'ebe okwu dị bugolite ya, mee ya isiokwu ma ọ bụ isi ụbụbọ, ọ na-agbakwunye echiche ọhụrụ. A chọpụtakwara na e nwere ime okwu isi ụbụbọ ndị nke na-emetụta naanị otu mkpụrụ okwu dị n'ime ahịrị okwu, ma nwee ndị nke na-emetụta ogbara okwu. Otu ihe ịrịba ama dị na ha n'iile ga abụ na, a na-esite na ngwụcha ahịrị okwu wee bugote okwu n'ihu ma ọ bụ n'isi ahịrị. Ya bụ, naanị mgbe mbugote ahụ nyere okwu ahụ ohere ịnọnye n'isi okwu ka a ga-asị na e mere okwu a ma ọ bụ nke ọzọ isi ụbụbọ n'ime ahịrị okwu ọ nọ na ya.

Nchọcha e mere bụ ịchọpụta na ịkọwa ihe gbasara ime okwu isi ụbụbọ n'Igbo. A chọpụtara na ụzọ nke a si apụta ihe bụ mgbe e bụgharịrị okwu site ebe ọ nọbu, ma bugote ya n'isi okwu. A chọpụtara na, a naghị ebufe okwu n'ebe ọzọ aghara aghara, ya bụ ebe e siri buru okwu na ebe a na-ebuga ya ga-adaba. N'ihi na e buru okwu na-ekwesighị ekwesị buga n'ọnọdụ na-adabaghị adaba, ahịrịokwu ahụ agaghị adị mma, ọ gaghịkwa enwe echiche kwesiri ekwesi.

Na mmechi, ọchọcha na-atụ alo ka ndị ọchọcha ndị ọzọ leba anya n'ụdị mgbanwe na mbụghari ndị ọzọgasi e nwere n'asụsụ Igbo.

**Nrụmaka**

Agbedo, C. U. (2015). *General linguistics*. Nsukka: KUMCEE-Ntaeshe

Akpabio, U. A. (2016).Topicalization in Anaang.Ngụpụta semina maka nzere MA, Mahadum Naijirịa, Nsụka.

Anagbogu, P. N., Mbah, B. M. & Eme, C. A. (2010) *Introduction to linguistics*. Awka: Amaka Dreams Ltd.

Cowper, E. (1992). *A concise introduction to syntactic theory*. Chicago & London: University of Chicago.

Ikima, M. N. (2014). Parameters of syntactic movement in Tiv. Ngụpụta proposalụ maka nzere Ph.D, Mahadum Naijirịa, Nsụka

Junaidu, I. (1987). Ph.D *Nchọcha Nzere Ph.D*. Indiana University

Lamidi, M. T. (2008). *Aspects of Chomskyan Grammar* Mbipụta nhazigharị nke abụọ (ed) Ibadan: University Press Plc

Mbah, B. M., & Mbah, E. E. (2014).*Atụtụ amụmamụ asụsụ*. Enugu: University of Nigerian Press Ltd

Mbah, M. U. (2015). Topicalization in Igbo language.Ngụpụta semina maka nzere MA, Mahadum Naijirịa, Nsụka.

Njoku, M. N. (2013). Mbugharị nkebi ahịrị mkpọ aha n'Igbo. Ngụpụta semina maka nzere MA, Mahadum Naijirịa, Nsụka.

Nwankwo, C. C. (2013). Topicalisation in Igbo syntax.Ngụpụta semina maka nzere MA, Mahadum Naijirịa, Nsụka.

Nworgu, B. G. (1991). *Educational research: basic issues & methodology.* Ibadan: Wisdom Publishers Ltd

Obidiebube, J. I., & Uzoalor, J. U. (2007).*Akwụkwọ mkpanaka maka usoro nchọcha n'Igbo*. Onitsha: Auschaki Int'l Publishers

Okoro, L. C. (2012). Ndetu nkuzi na amụmamụ *Studies in Igbo Syntax Part II*

EJLLS www.ejlls.com ISSN 9091 4582 7142

Okoro, L. C. (2012). Studies in Igbo Syntax.Akwụkwọ nkuzi ebiputaghị ebipụta. Ngalaba Lingwistiks, Igbo na asụsụ ndị ọzọ, Mahadum Steti Imo.

Van, R.& Williams, E. (1986) *Introduction to the theory of grammar.Cambridge Mass*: MIT Press.

**Mbute sitere na ọwa ududo**

Mbutu site na http://en.wikipedia.org/wiki/topicalization, 10/12/2016

Mbutu site na http://www.sfuca/-dearmond/322/322.topicalization.htm, 10/6/2016

Mbutu site na https://www.wordnik.com/words/topicalization, 10/6/2016